# NZIPỤTA ỌNỌDỤ ỤMỤNWANYỊ N'AKWỤKWỌ EJIJE IGBO A HỌỌRỌ: IHE ỊDỌ AKA NA NTỊ NYE ỤMỤ IGBO

**Nnamdi Ani**

07036535329
Aninnamdi2016@gmail.com
Nwata Akwụkwọ (PG)
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Awka

**&**

**Chinelo ChizobaAnachunam**

07062453336
cc.anachunam@unizik.edu.ng
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Eshịa
Mahadum Nnamdi Azikiwe, Awka

## Ụmịedemede

Ederede a lebara anya n'ọnọdụ ụmụnwaanyị n'akwụkwọ agụmagụ Igbo. Agụmagụ, n'ụdị ekwuru n'ọnụ ma ọ bụ nke ederede nwere otu ihe ọ na-arụtụ aka na ndụ mmadụ, banyere nkwenye na usoro obibi ndụ ha. Agụmagụ ederede Igbo, bụ otu ụzọ ndị odee si egosipụta n'ụzọ doro anya, ihe ndị na-emegasị na ndụ ndị Igbo. Ọtụtụ ndị Igbo anaghị eji asụsụ Igbo ekwurịta okwu, tinyere na ọtụtụ ndị Igbo n'oge ugbu a, anaghị etinyecha uche ha n'ịgụ akwụkwọ agụmagụ e dere n'Igbo. Nke a bụ n'ihi na ha hụrụ nke e dere n'asụsụ ndị ọzọ n'anya karịa nke e dere n'Igbo. Site n'ọnọdụ a, ihe mmụta niile na-adị n'ime akwụkwọ agụmagụ Igbo ndị ahụ, abụrụ ihe ụfọdụ amaghị maka ya. Nchọcha a lebara anya n'akwụkwọ *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* igosịpụta ọnọdụ omenaala Igbo dowere ụmụ nwaanyị nakwa ka ọnọdụ ahụ si bụrụ ihe ekwesịghị. Ọrụ a gbasoro atụtụ feminism wee zipụta ihe ndị dị na ya. Ọrụ a chọpụtara na a ka na-eleda ụmụ nwaanyị a mụrụ n'ezinaụlọ anya. Ụfọdụ ka na-asị na ịzụ nwaanyị bụ ịzụrụ onye ọzọ. Ụfọdụ asị na onye mụrụ naanị nwa nwaanyị n'ezinaụlọ ya, gba aka nwa, na ama ya ga-echi. Nwoke mụrụ naanị ụmụnwaanyị anaghị eketa oke ụfọdụ tinyere ụzọ ndịọzọ e sigasị eleda ụmụ nwaanyị anya. Ọ bụ ihe kwere nghọta na ọrụ a ga-ekpughe ụfọdụ mmegbu ndị ahụ a na-emegbu ụmụ nwaanyị dịka ha dị n'akwụkwọ ederede ahụ a họọrọ ma site n'ụzọ dị otu a, mee ka ọhanaeze mara na mmegbu na nleda ụmụnwaanyị anya adịghị mma, maka na ụmụnwaanyị na-ewete ọganihu. Nchọcha a ga-emekwa ka a mata uru na mkpa ịgụ akwụkwọ ederede Igbo baara onye ọbụla bụ onye Igbo.

## Okwu mmalite

Agụmagụ bụ ụzọ e si eji akanka edemede ezipụta usoro obibi ndụ ndị mmadụ. Ọ bụkwa enyo nke a na-eji ahụta ihe na-eme na ndụ ndị mmadụ. A na-esitekwa na ya eṅomi ezi akparamagwa, ma na-akatọkwa akparamagwa ọjọọ ọbụla nwere ike ibutere obodo ọdịda. Nke a pụtara na ọ bụ site n'idepụta ihe maọbụ echiche ndị mmadụ n'akwụkwọ banyere otu ihe ka eji achọpụta ọtụtụ ihe na-emegasị n'ụwa gbaa gburu gburu.

Onyekaọnwụ (2015) na nkuzi ya kọwara agụmagụ dị ka ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta gbasara ndụ n'ime ụwa nke anyị na-ahụ anya na nke anyị anaghị ahụ anya. Ọ bụkwa nke e ji asụsụ n'ụzọ ekwuru n'ọnụ, ederede na mmeghari ahụ wee zipụta n'ụdị akụkọ, ejije maọbụ abụ. Agụmagụ bụkwa nke e ji asụsụ nka chọọ mma n'ụzọ pụrụ iche dịka o siri masị odee. Mgbe mmadụ enweghị ike ịga n'ụlọ mgbasa ozi dị iche iche, zie ndị mmadụ ozi banyere ahụmihe ya metụta otu ihe, ọ na-esite n'idepụta echiche ndị ahụ n'akwụkwọ ka ndị mmadụ gụọ ya nwetezie ozi dị na ya.

Nwadike (1990:11) hụrụ agụmagụ n'ụzọ abụọ. Nke mbụ bụ agụmagụ izugbe, ebe nke abụọ bụ agụmagụ nka. Agụmagụ izugbe bụ ihe ọbụla dị n'ụdị ederede e depụtara maka amụmamụ nke e si na ya amata ihe ụwa dị iche iche. Agụmagụ nka n'aka nke ọzọ ka ọ kọwara dịka ihe e chepụtara echepụta e ji nka okwu na atụmatụ agụmagụ dị iche iche chọọ mma. Ọ kọwakwara na agụmagụ nka na-agbadokarị ụkwụ na ndụ. Ọ bụkwa site na nke a ka ndị ọkọ akụkọ maọbụ ndị odee si ezipụtaihe ọbụla na-eme na gburu gburu ha.

Ọtụtụ ndị odee akwụkwọ Igbo esitela n'iji nka pụrụ iche e ji edepụta ọtụtụ ihe n'akwụkwọ agụmagụ Igbo gbaa ọtụtụ ihe ọjọọ n'anwụ. Ihe ọjọọ ndị dịka: mmegbu na mmegide na-adị n'etiti mmadụ na ibe ya, ịkọ mmadụ ọnụ maọbụ mmadụ ịchị onye ụwa na-ara ahụ ọchị tinyere ihe ndị ọzọ. Ihe ndị a na-emechaa n'ikpeazụ gaziere onye ahụ ụwa kọrọ ọnụ nke na-eme ka ndị iro onye ahụ soro ya ṅụrịa. Nke a mere ndị Igbo ji atụ n'ilu sị na "ọnụ ahụ kọrọ ogiri ọnụ ga-emechaa kụrụ ogiri rachaa".

Ọtụtụ ndị ode akwụkwọ Igbo sitekwara n'idepụta ọtụtụ ihe n'akwụkwọ agụmagụ Igbo zipụta ọtụtụ ihe ọma nwere ike ịbịara onye na-agba mbọ. Nke a mere Igbo ji atụ n'ilu sị na "onye ndidi na-eri azụ ukpoo". Ha na-asịkwa na"ọ bụrụ na chi nwogbenye anọghị n'izu ihe anaghị eme ya". Nke a mekwara ha ji asị na "ọ bụrụ na ọnwụ egbughị ji e jiri chụọ aja ọ ga-epurịrị ome". Ndị odee sitekwara n'akwụkwọ hana-egosi na,"ihe mere ehi n'ọdụdụ emeghị ya ka ọ ghara ịta nri", tinyere ilu ndị ọzọ na-akọwa uru dị n'ịgba mbọ.

### Ntụlegharịagụmagụ

E jighị ụmụ nwaanyị kpọrọ mkpa otu e si jiri ụmụ nwoke kpọrọ mkpa, bụ oke ihe ka na-agba anya mmiri na ndụ ndị mmadụ taa. Nke a mere ka ogoogo e dowere ụmụ nwaanyị dị ala nke ukwuu n'ezinaụlọ. Ọnọdụ a, na nleda anya a, a na-eleda ụmụ nwaanyị mere ka ha bụrụ ndị a na-akpachapụ akpachapụ. Ọnọdụ omenaala dowere ha, mekwara ka a hapụ itinye ha n'ọkwa dị iche iche.

Tong (2001) mere ka a mata na ndị gara ije maka nzọpụta ọnọdụ ụmụ nwaanyị kwenyere na nleda anya a na-eleda ụmụ nwaanyị sitere n'ọnọdụ mkpagbu omenaala dowere ha. Site na nke a, ọ bụ ihe kwere nghọta na omenaala mere ka ụmụ nwaanyị dị oke ala n'etiti ụmụ nwoke. A hụrụ ha dịka ihe e ji emejupụta ọnụọgụ. O nweghị oke ha na-eketa n'akụ nna ha. Onye nwere naanị nwa nwaanyị na-anọ ka onye ahịhịa ga-eruchi obi ya. N'ọnọdụ a, Tong (2001:5485) kwuru ya hoo haa na site n'omenaala, obodo na-ahụta ụmụ nwaanyị dịka ndị ike adịghị n'ụzọ echiche nakwa n'ụzọ a na-ahụ anya.

Nleda anya na-apụta ihe mgbe ihe dị abụọ, a hụta otu dịka ihe ka dị mkpa karịa nke ọzọ. N'ọnọdụ a, nke a họrọghị ka ihe dị mkpa, maọbụ nke e ledara anya, na-anọ na mwute oge niile. Ụzọ ya niile na-ejupụta n'ihe mkpagbu, ihe mgba anya mmiri, iru uju na ahụhụ. Mbọ niile o nwere ike ịgba ka a hụta ya otu a hụrụ ibe ya, anaghị amịta mkpụrụ, n'ihina ọnọdụ e dowere ya sitere na nkwenye na omenaala ha. Nke a mere Haraway (1990) ji sị na ụmụ nwaanyị kwesịrị ka e nye ha ọnọdụ ọhụrụ. O mekwara ka amata na inye ụmụ nwaanyị ọnọdụ ọhụrụ dị oke mkpa. N'ime ka nke a dokwuo anya, nchọpụta Freud mere, n'ihe William (2001:5510) dere, mere ka o doo anya na ihe dị iche n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị bụ naanị ihe ndị a na-ahụgasị anya n'ahụ ha. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ụmụ nwaanyị nwekwara obi ume ala, etu ụmụ nwoke nwere.

Ọ bụ ihe pụtara ihe na a na-ahụta ụmụnwaanyịka ndị e ji emeju ọnụọgụ. N'ezinaụlọ, n'obodo dị iche iche, n'ala Igbo gbaa gburu gburu, ọ na-aka mma ka amụta nwa nwoke karịa ịmụ nwa nwaanyị. Nke a bụ n'ihi na ndị Igbo kwenyere na nwoke na-anọchị obi nna ya, ebe nwaanyị bụ akụ onye ọzọ. Ume (1985:53) kọwara

ụmụnwaanyị dịka ndị karịchara n'ọnụọgụ ma bụrụkwa ndị a na-achị ọchịchị nchịgbu n'elu ụwa dum mmadụ bi. Ọ gakwara n'ihukọwaa na abịa n'omenaala obodo dị iche iche, ụmụnwaanyị bụ ndị e were ka ndị opekata mpe. O kwukwara na ọrụ ha gbadoro ụkwụ n'ọmụmụ na ọzụzụ ụmụaka.

Mgbe nwaanyị lụrụ di mụrụ nwa ọhụrụ, ajụjụ mbụ na-apụta n'ọnụ onye ọbụla nụrụ maka ọmụmụ nwa ọhụrụ ahụ na-abụ 'ọ mụrụ gịnị?'. Ebumnuche ajụjụ a bụ ka a nụ na ọ mụrụ nwoke. Ọ bụrụ nwa nwoke, onye ọbụla nụrụ maka ya na-ewere ya na nwaanyị ahụ agbanyela ezi mgbọrọgwụ. Nwoke nwunye ya mụrụ nwa nwoke na-enwe nnukwu aṅụrị, ma kpọọ nnukwu oriri iji gosi na ihe ukwu meere ya. Nwoke nwunye ya mụrụ nwaanyị na-asị ndị mmadụ na nwunye ya mụrụ 'ha', ebe ọ ga-asị ndị mmadụ na nwunye ya mụrụ 'agadaga nwoke'. Nke a bụ ụzọ e si egosị na nwaanyị abụchaghị ihe a na-achọ n'ala Igbo.

Nwaanyị ọbụla mụrụ naanị ụmụ nwaanyị, na-anọ na mkpagbu. Mkpagbu ndị ahụ nwere ike isite n'aka di ya, aka nne di ya, aka ụmụnna, aka nwunye di ya onye nwere ike ịmụta nwa nwoke dịka ihe a na-achọ. Ebe ọ na-akacha njọ bụ mgbe nwaanyị gara ije di, ọ mụghị nwa chaa chaa. Nwaanyị dị otu a na-anọ n'ọnọdụ ahụhụ na ịkwa akwa oge niile. Nwaanyị dị otu ahụ na-asị na ọ ka mma ka ọnwụ bịa gbuo ya. Ụmụnwaanyị ibe ya anaghị ekwe ya ṅụọ mmiri dowe iko n'ala. Akọmọnụ dị iche iche na-adị ezokwasị nwaanyị dị otu a n'isi ka mmiri. Nwaanyị dị otu ahụ anaghị etinye ọnụ n'okwu dị aṅaa a na-ekwu n'obodo. Ọ naghịkwa eketa oke ụfọdụ tụmadị mgbe ọ bụ oke ndị mụtara nwa nwoke. Nke a mere Butler (1990) dịka onye mmegbu a na-emegbu ụmụnwaanyị na-agba anya mmiri, jiri mee ka o doo anya na mkpagbu ụmụ nwaanyị sitere n'ihi na ha abụghị ụmụ nwoke. O mekwara ka o doo anya na nke a ekwesighị ịdị otu a. Ọ bụ ihe adịghị mma ma ọlị, ịhụkarị otu ihe n'anya n'ime ihe dị abụọ.

Ihe nwoke na-eme abụghị ihe nwaanyị na-eme. A bịa n'ezinaụlọ, nwoke nwere ọrụ kwesịrị ya, nwaanyị nwekwara ọrụ ndị kwesịrị ya. N'ihi nke a ka Eze (1990:6) jiri kwupụta na o kwesịrị ekwesị na a ga-akwanyere ụmụnwaanyị ugwu ebe ọ bụ na ụmụnwaanyị bụ ndị nwere ntozu n'ihe ndị a tụrụ anya n'aka ha dịka ihe gbasara ọmụmụ, ezi nledo anya na ihe ndị ọzọ.

Ọ bụ ihe kwesịrị na a ga na-akwanyere ụmụnwaanyị ugwu site n'ọrụ niile a ha na-arụ. Ọrụ ịzụlite ụmụaka n'ezi akparamagwa, ịkwalite ezinaụlọ, isi nri, idozi ụlọ tinyere ọrụ ndị ọzọgasị dịịrị nne maọbụ nwaanyị n'ezinaụlọ. Nke a mekwara e ji atụ ilu na-asị na "ebe e nwere nwoke na-eme nke ọma, na e nwere nwaanyị nọ ya n'akụkụ".

Nke a mere o ji kwesị ka a hụ ụmụnwaanyị dịka ezi ihe. Ketu (1987) n'okwu nke ya kwenyere ma gosịpụta agwa ụmụnwaanyị n'ihe gbasara ọmụmụ dika ihe e ji ama ụmụnwaanyị niile, ọ kachasị n'ala Igbo. Ketu kwenyere na ụmụnwaanyị nwere ugwu, mana ọ dịghị nwaanyị ọbụla e jiri kpọrọ ihe rue mgbe ọ mụtara nwa, tụmadị nwa nwoke n'ezinaụlọ a lụbatara ya, ma nke kacha njọ bụ na nwaanyị lụrụ di ma ọ mụtaghị nwa ma ọlị.

Akwụkwọ nsọ hụtara ụmụnwaanyị dịka ndị enyemaka nwoke nwere. Nke a mere e ji asị na "onye chọtara nwunye chọtara ezi ihe, nke ọ ga-anara amara n'aka Chineke". Nke a kọwara ya ka o doo anya, na ọrụ ndị a, enyemaka ndị a ụmụnwaanyị na-enyegasị n'ịzụlite ụmụaka n'ezi akparamgawa, ịkwalite ezinaụlọ, isi nri, idozi ụlọ tinyere ọrụ ndị ọzọgasị dịịrịnwaanyị n'ezinaụlọ bụ ọnatara chi ha. Ya bụ na ezinaụlọ

ọbụla nwaanyị anọghị na ya, ezigbo ihe kọrọ na ya. N'ịkwado nke a, Peter (1985:11) dịka otu n'ime ndị ọnọdụ ụmụnwaanyị na-echu ụra kọwakwara na ọ bụ ihe e kwesịrị ileba anya bụ ọnọdụ ọjọọ nke ụmụnwaanyị nwere n'elu ụwa dum mmadụ bi n'ime ya.

N'ihi na ndị odee akwụkwọ Igbona-agbadokarị ụkwụ n'ihe na-eme na ndụ ndị Igbo were ezipụ ozi ha nye ụwa niile, e nwere ụfọdụ akwụkwọ agụmagụ ejije ndị a họọrọ zipụtara ọnọdụ ụmụnwaanyị na otu e si were ha dịka ndị abaghị uru n'ezinaụlọ ọbụla a mụnyere ha na ya. Ndị odee akwụkwọ ejije ndị a sitere n'akparamagwa dị otu a katọọ ndị na-ahụta ụmụ nwaanyị dịka ihe abaghị uru. Site n'ihe ndị a, a ga-elebazi anya n'akwụkwọ ndị ahụ iji zipụta ọnọdụ a na-edowe ụmụ nwaanyị, nakwa ihe mgbu na-adịrị onye mụrụ naanị ụmụ nwaanyị.

**Ọnọdụ ụmụnwaanyị n'akwụkwọ ejije *Nwaanyị bụ ihe ukwu***

Agụmagụ bụ ụzọ ndị odee ji ezipụta ihe na-arụtụ aka na ndụ maọbụ n'ụwa a anyị nọ n'ime ya.N'akwụkwọ ejije a, e zipụtara ụzọ e si ahụta ụmụnwaanyị mgbe ha lụchara di wee na-amụ naanị nwa nwaanyị dịka:

**Ndịụkwụ esighị ike n'ụlọ di ha**

A hụtara nwaanyị ọbụla mụrụ nwa nwaanyị dịka onye ụkwụ erubeghị ala n'ụlọ di ya. Nke a pụtara na onye ahụ enwebeghị ọnọdụ ọbụla n'ụlọ di ya. Nwaanyị dị etu a enweghị ike iketa oke ọbụla a na-ekenye ndị mụtara nwa nwoke. N'akwụkwọ ejije a, ka Chiadịkaobi lụchara ọmarịcha nwunye ya bụ Nkechinyere, ha bidoro mụwa naanị ụmụ nwaanyị rue na ha amụọ ụmụ nwaanyị ise. Ụmụ ise ndị ahụ bụ: Chiọma, Nwabụọṅụ, Ifechukwu, Ijeaṅụrị na Nwaanyịbụihe. (Ihu 9)**.**

Ha hụrụ ụmụ ha nwaanyị ndị ahụ niile n'anya. Ha enweghị ihe iti mmakwaara ọbụla n'ihi na ha kwenyeere na nwa bụ onyinye Chukwu. Ịhụnanya Chiadịkaobi nwere n'ebe ụmụ ya nọ mere o ji sị nke ise mgbe a mụchara ya

> Nwa m, ọ ga-adịrị gị mma, ebe ọ bụ na ọ masịrị gị ịbata n'ezinaụlọ mụ bụ ogbenye. Biko, elekwala anya n'azụ. Ihe ọbụla i chefuru, anyị ga-enye gị ya o-o-o. (ihu 20)

N'uche Chiadịkaobi, obi na-atọ ya ụtọ na nwunye ya mụrụ nwa, mana ọ maghị na nwa nwunye ya mụrụ nwere ihe mgbu so ya n'ebe ndị na-ahụ ya nọ.

Nwaanyị ada ya gara ije di, ga na-ekpe ekpere ka nwa ya nwaanyị ahụ gbanye mgbọrọgwụ n'ụlọ di ya. Mgbọrọgwụ ahụ ọ ga-agbanye bụkwanụ ịmụta nwa nwoke. Ka nne Nkechinyere nụrụ maka nwa ọhụrụ ahụ, wee nụ na ihe ọ mụrụ bụ nwa nwaanyị, obi wee gbarụọ ya. Ihe a nyere Ụdụakụ, nne Nkechinyere obi mgbu n'ihi na ọ bụghị nwa nwoke ka ada ya nwaanyị mụrụ. Nke a mere o ji sị

> Ewu Chi m o o! Kedu mgbe m ga-eso na ndị a ga-ebunye oche? Chineke bikonụ leenụ Nkechi nwa m. Biko ọ bụrụgodụ naanị otu ka ụkwụ sie ya ike be di ya ka ụmụ nwaanyị ibe ya. (ihu 23)

Okwu Uduakụ kwuru ebe a gosịrị na ije di Nkechinyere gara n'ụlọ Chiadịkaobi enwebeghị otu mkpụrụ ọ mịpụtara. Nke a bụ n'ihi na ọ maara na e nwere ka ụbọchị ga-adị, ma ada ya nwaanyị gaa n'ihu na-amụ naanị nwa nwaanyị, ọ gbara aka wee lọta maka na ọ gbanyebeghị mgbọrọgwụ. Nke a mere Ume (1985:53) ji kọwaa ụmụnwaanyị dịka ndị kacha n'ọnụọgụ ma bụrụkwa ndị a na-achị ọchịchị nchịgbu n'elu ụwa dum mmadụ bi. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na abịa n'omenaala obodo dị iche iche, ụmụnwaanyị bụ ndị e were dịka ndị opekata mpe.

**Ụmụnwaanyị dịka uru onye ọzọ**

A hụtakwara nwaanyị n'akwụkwọ dịka uru onye ọzọ. Nwaanyị ọbụla mụrụ naanị ụmụ nwaanyị, a na-ahụta ụmụ nwaanyị ndị ahụ dịka uru onye ọzọ. Nke a mere na nna nwe ụmụ nwaanyị ndị ahụ anaghị azụ ha n'akwụkwọ. E kwenyere na uru ọbụla ga-esi na nwaanyị bịa bụ onye ọzọ ga-eri ya tụmadị mgbe nwaanyị dị otu a lụrụ dị. Ihe niile nwaanyị ahụ ga na-arụ, nakwa ebe ọ ga na-elekwasị anya bụ n'ụlọ ebe a lụrụ ya. Ahụhụ niile ndị mụrụ ya tara zụọ ya alaa ha n'iyi. Ọ ga-abụzi na nnyetụ, ma ọ bụrụ na e chetara ha chaa chaa, mana ọ bụrụ nwoke, n'ụlọ nna ya ka ọ ga-anọ bichie obi nna, rụọkwa ụlọ na ngwuru nna ya ka ọ ghara ịgbachi ahịhịa. Nke a mekwara Uduakụ ji gwa Nkechinyere sị,

> Nwa m, ihe m na-ekwu bụ na ọ bụ eziokwu na ị mụtara ụmụ ise, mana ha niile bụchaa uru onye ọzọ. Ọ bụrụ na a chọọ di gị taa, a hụghị ya, ngwuru a ga-agbachi n'ihi na ọ dịghị onye nnọchi o nwere. Ya onwe ya bụkwa otu mkpụrụ anya ji isi ụgwọ. Ọ dịghị onye ọzọ ya na ya si n'otu eriri afọ nne pụta karịkwaa ndị nwanna ya…. (ihu 25)

N'ebe a ka akwa Uduakụ gosịrị na nwaanyị anaghị ebichi obi nna ya. Ọnọdụ ịmụ naanị nwa nwaanyị ka a hụtara dịka ajọ ọnọdụ nke bụ uru onye ọzọ, ma bụrụ ọghọm nyere ezinaụlọ a mụnyere nwaanyị dị otu a. Nke a nwere ike ime ka nwoke lụrụ nwaanyị kpọọ nwunye ya asị maọbụ lewe ya anya ọjọọ.

**Ụmụnwaanyị dịka ndịana-akọ ọnụ**

Nwaanyị enweghị nwa nwoke na-anara mkparị na akọmọnụ dị iche iche n'aka ụmụnne di ya. Akọmọnụ na-esitekwa n'aka nne di mgbe nwaanyị gara di amụtaghị nwa chaa chaa. O nweghị ihe nwaanyị dị otu a mere na-adị mma. Ọtụtụ mgbe, anaghị ekwe nwaanyị dị otu a ekele. Mgbe ụfọdụkwa, a na-ebo nwaanyị dị otu ebubo na o ji ọgwụ jide di ya tụmadị mgbe di ya ekweghị alụ nwaanyị ọzọ. Idigo ji n'ihina Nkechinyere bụ nwunye nwanne ya mụrụ ụmụ nwaanyị ghara ikwe ya ekele ma kparịwa ya sị,

> Ee, jide ekele gị ahụ. Achọghị m n'ụtụtụ a chaa chaa. Ị gaghị ejinwu ọgwụ gị jide m. Abụghị m Chiadị i jigoro ọgwụ nara uche. Ọ maghịzi aka nri ya na aka ekpe ya. Ọ na-eso gị ka mumu. Lee ka i weere ụmụnwaanyị mụchikọọ ebe niile. A na-agwa ya ka ọ lụọ nwaanyị ọzọ ka ọ mụtara ya onye nnọchianya, ọ dị ka mmiri a na-awụ n'okwute. (ihu 46)

Ketu (1987), n'okwu nke ya kwenyere ma gosịpụta agwa ụmụnwaanyị n'ihe gbasara ọmụmụ dịka e ji ama ụmụnwaanyị niile, ọ kachasị n'ala Igbo. Ketu kwenyere na ụmụnwaanyị nwere ugwu, mana ọ dịghị nwaanyị ọbụla e jiri kpọrọ ihe rue mgbe ọ mụtara nwa, tụmadị nwa nwoke n'ezinaụlọ a lụbatara ya

**Ụmụnwaanyị dịka ndịanaghị ebichi obi**

N'igosị na nwaanyị bụ uru onye ọzọ, nakwa igosịpụta mkpa na uru ịmụta nwa nwoke bara n'ezinaụlọ, Uduakụ gara n'ihu kwuo,

> Chineke mee amara ị zụchaa nke a, tupu ị tụọ ime ọzọ, ị gaa ọzụzụ a sị na ha na-aga iji tụọ ime nwoke maọbụ ime nwaanyị. (ihu 27)
>
> Nwa m, matakwa na ọ bụ gị ka ọ ka mkpa. Di gị nwere ike pụtaechi gaa lụọ nwaanyị ọzọ ga-amụtara ya nwa nwoke, mgbe ahụ ọ gbanye gị n'ọhịa"(ihu 28)

**Ụmụnwaanyị dịka ndi ga-eme ka ama nwoke chie**

A hụtara nwaanyị na-amụ naanị nwa nwaanyị dịka onye chọrọ ka ama di ya chie. Nke a pụtara na mgbe ọ bụla ọnwụ gburu nwoke dị otu a, o nweghị onye ga-ebi na ngwuru ya. Ọ bụ naanị ahịhịa ga-eruchi ụlọ nwoke dị otu a. Ọ bụghịkwa naanị mgbe nwoke nwụrụ, o metụtakwara mgbe nwoke dị otu a adịghịzi ike ime ihe ọbụla n'ihi na ọ kaala nka.

Ọ bụghị naanị nne Nkechinyere ka nwa nwaanyị Nkechinyere mụrụ na-echu ụra. Nkechinyere nwere enyi nwaanyị, aha ya bụ Ọkụata. Ka Ọkụata hụchara ọnọdụ enyi ya nwaanyị nọ n'ime ya, o wee metụ ya n'obi dịka ezigbo ọyị. Ọkụata wee sị ya na ya ahụbeghị ihe na-eme ka ụkwụ sie nwaanyị ike be di ya, Nkechi jụọ ya ihe ahụ, ọ zaa ya sị, 'nwa nwokenụ'. (ihu 33).

Okwu a Ọkụata kwuru ebe a gosịrị na o nweghị ihe ọzọ nwaanyị lụrụ di na-achọ ma ọ bụghị naanị ịmụta nwa nwoke. Onye amụtaghị nwoke dịka akwa ikuku ga-ekuru mgbe ọ bịara. Nwoke nwunye ya mụkwaranụ nwaanyị dị ka onye gbara ọnya chị uche n'aka mgbe ọbụla.Ọkụata wee gaa n'ihusị,

> Ị makwa na oge m mụchara ada m nwaanyị, mụkwa ọzọ ọ bụrụ nwaanyị, dị m gbakaa. O leghịdị m ọmụgwọ nke ọma. Ihe ọ na-ekwu bụ na m chọrọ ka ama ya bụrụ ama nwaanyị. Ọ zụghịrị m ọbụladị otu mpempe abanaanya (mmanya ọtọbịrịbịrị), ma ya fọdụzie onye mụrụ ise. (ihu 33-34)

Site n'okwu Ọkụata, ọnọdụ ụmụnwaanyị na-anọ mgbe ha mụrụ nwa nwaanyị na-adụ ogwu n'anya. Ọtụtụ ka ndị di ha na-ahapụ ilekọta anya nke ọma. Nke a na-emekwa ka nne nwaanyị dị otu a nọrọ n'oke ahụhụ. Ụfọdụ ụmụnwaanyị ndị di ha na-ata oke ahụhụ a, nwere ike site na ndụmọdụ ndị enyi, chọwazie nwa nwoke n'ụzọ ezighị ezi iji mee ka obi ruo di ha ala.

Ọnọdụ ahụhụnne nwaanyị mụrụ naanị nwaanyị na-anọ n'ime ya, tinyere echiche na alo dị iche iche ndị mmadụ ga na-enyegasị ya iji chọọ ụzọ a ga-esi kwụsị ya bụ ihe, nwere ike ibutere nwaanyị dị otu ahụ, ime ihe ala na-asọ nsọ. O nwekwara ike ịga n'ụzọ ekwesịghịekwesị, ebe ọ na-achọ nwa nwoke. Ọkụata wee sị Nkechinyere,

> ….Alo m na-atụnye bụ ka a chọọ nwoke anya rụrụ ala ka gị na ya nọkọọ oge ị ga-atụ ime ọzọ ka ị mara ma ị ga-enweta onye nnọchianya. Asị na ọ bụghị akparamagwa di m, agaara ma asị ka ọ rụọ ọrụ ahụ. Otu ụbọchị, ọ ṅụchaa mmanya, o tiwaa akụoyibo Nsugbe. (ihu 34)

**na-akọ nwoke nwunye ya mụrụ nwaanyị ọnụ**

Nwoke nwunye ya mụrụ nwa nwaanyị na-anọkwa n'akọmọnụ n'akụkụ nke ya. Ebe akọmọnụ nke ya si abịa bụ site n'aka ụmụnna ya. N'ọgbakọ ụmụnna, nwoke dị otu a kwuo okwu dị aṅaa, maọbụ chọọ ka ya tụnye alo n'ihe a na-ekwu, okwu ya na-adị ka okwu onye enweghị uche. Ụmụnna agaghị ekwe ka okwu ya daruo ala, ha aghọrọ ya okwu ya n'ọnụ, ihe ọzọ ga-esochi azụ bụzi mkparị.

N'ọgbakọ ụmụnna, a na-ekwu okwu na Onyebuchi chọrọ onye ga-esi n'ala ya nye ya ụzọ ọ ga-esi na-aba ụlọ ya. Chiadịkaobi wee kwete inye ya ụzọ n'ala nke ya n'ihi na ndị ụmụnna jụrụ inye ya ụzọ site n'ala nke ha.Ihe pụrụ Idigo n'ọnụ bụ,

> Ehee! Onyeọma Emeka! A ga-enye Onyebụchi ala Agụudo niile. Atara m gị. Ọ bụrụ na ị mụtara nwa, ị ga na-asụ ụdịdị asụsụ a?(ihu 40)

Ndị ụmụnna sitere n'okwu a nye Chiadịkaobi mkparị juru ekete. Ka Izunna kwuru sị,

> Nna anyị Idigo, ị mazikwa ihe ị na-ekwu? I chefuola na Chiadị ji ụmụ ise?(41)

Nke ka njọ wee daa. Idigo wee zaa ya sị,

> N'ime ụmụ ise ahụ, ole kwụ ọtọ anyụ mamịrị? Ọ bụ na ha niile abụghị uru onye ọzọ? Ọ bụrụ na a chọọ Chiadị taa ma a hụghị ya, ngwuru ya ga-agbachi. O nweghị onye n'ime ise ahụ ga-aza Ahamefula maọbụ Obiechina.(ihu 41)

Ka ha gwachara ya okwu a, Nzeakọ wee gwazie ya nke bụ eze okwu. Ọ si Chiadị,

> Chiadị nwanna a, tụgharịkene uche n'ihe a a na-ekwu, ụtụtụ, ehihie na abalị. E leghị anya, akwa nwoke adịghị nwunye gị bụ Nkechi n'afọ. Gaa lụrụ nwaanyị ọzọ ka ọ mụnye gị nwa nwoke. Chetakwa na ndị Igbo na-agụ ụmụ ha Obiechina maọbụ Ahamefula. Ị hapụ ngwuru gị otu a, obi gị ga-echi, aha gị efukwaa. (ihu41)

**Nwoke nwunye ya mụrụnwaanyị dịka onye ana-anapụoke ruru ya n'ụmụnna**

Nwoke enweghị nwa nwoke na-anọ n'ihe mgbu na ọnọdụ mmegide site n'aka ụmụnna. Ụmụnna ya anaghị enye ya ohere iketa ihe ọbụla. Nke a bụ n'ihi na ha kwenyere na o nweghị onye ọ na-eketere ihe ndị ahụ dum, n'ihina ihe juru ụlọ ya bụ naanị ụmụnwaanyị, nke ha hụtakwara dịka akụ onye ọzọ. N'ihi na Chiadị mụrụ naanị ụmụ nwaanyị, ụmụnna ya weere oke ala ruturu ya, were ya nye Onyebuchi na-achọ ebe ọ ga-esi tinye ụzọ n'ụlọ ya. Ha jikwa onye dị ngọzi n'etiti ụmụnwaanyị mekwuo ka mmụọ ya daa mba. Nweke wee sị,

> Uche onye adị ya njọ, asị m kwube, ọ ga-aka mma ka anyị were oke ala Chiadị nye Onyebuchi n'aha ụmụnna ebe ọ bụ na ọnọdụ anyị na ya abụghị otu. E wepụ Chiadị, anyị niile kwekọrịtara na ụmụ anyị ga-eji ala Agụudo mere alaobi n'ọdịnihu ma ọ bụrụ na ha rụchichaa ụlọ n'ebe anyị bi ugbu a. (ihu 42)

Ka Nweke kwuchara okwu a, ọ gbara Chiadị ka aṅụ na ntị, ọ jụọ ya sị ma ọ pụtara na ya esoghị n'ụmụ Ezeigbo? Nweke sị ya,

> I so n'ụmụ Ezeigbo mana i nwetala alaobi nke gị. Alaobi anyị na-ekwu maka ya bụ nke ụmụ anyị na ụmụ ụmụ anyị. O doro gị anya na ụmụ anyị ndị nwoke na ụmụnwaanyị gị agaghị eke ala. Nke ahụ bụ arụ. (ihu43)

Ha gwakara Chiadị sị,

> …. I kwesịghị itinye ọnụ n'ala ọha n'ihi na o nweghị nwa i ji. Ihe ị mụkọrọ be gị bụ akụ onye ọzọ. Ụbọchị i kugoro ghara ikutuzi, anyị abịa were mbara be gị mere ihe sọrọ anyị. (ihu 44)

Ụmụnna hụtara nwa nwoke dịka ihe dị ezigbo mkpa na ndụ nwoke. Nke a bụ n'ihina nwa nwoke na-aza aha dịka 'Ahamefula na Obiechila'. Nke a pụtara na nwa nwoke bụ ọnọchie ebe ụmụ nwaanyị bụ ndị ọbịa n'ebe a mụrụ ha, oge ruo, ha akwara ngwongwo ha laa n'ụlọ onye ọzọ. Ha hụtakwara onye mụrụ nwa nwaanyị dịka onye gba aka nwa, ma nwoke, ma nwaanyị ndị mụrụ ụmụ ndị ahụ. Ha hụkwara nwoke dị otu a dịka onye kwesịrị ịlụ nwaanyị ọzọ iji nweta nwa nwoke. Nke a mere na ọ baghị uru ikenye onye ahụ ihe ọbụla n'ihi na onye ahụ enweghị onye ga-eri, maọbụ nwere akụ ndị ọ na-akpa, nke e jienwe onye ga-anọchi anya ya ma ọ nwụọ. Ha hụtakwara ụmụnwaanyị dịka ndị ha na ụmụnwoke agaghị ekekọ ihe ọbụla tụmadị ala.

**Nwanne ịzọwa ihe nwanne ya nwoke mụrụ naanị ụmụnwaanyị**

Mgbe nwoke nwere naanị ụmụ nwaanyị, a na-ahụta na nwanne ya nwoke, ya na ya si n'otu afọ nne na nna, na-adị azọ ihe onye ahụ mụrụ naanị nwaanyị nwere. Nke a bụ n'ihi na onye na-azọ ihe ndị ahụ na-adị asị na ụmụnwaanyị ndị ahụ niile ga-emechaa laa n'ụlọ onye ọzọ. Onye dị otu a na-emekwa nke a n'ihi na ọ na-ahụ onwe ya dịka onye ga-ewere akụ na ụba nwanne ya ahụ mụrụ naanị nwaanyị nwere, tụmadị ụbọchị ọbụla a chọwara ya achọ. Ihe dị otu a na-akawanye njọ mgbe onye na-azọ ihe nwere opeka mpe otu nwa nwoke. Ihe ndị a niile bụ ụzọ ha si ezipụta na nwa nwaanyị bụ uru onye ọzọ.

N'akwụkwọ ejije a,Chiadịkaobi nwere nwanne nwoke aha ya bụ Idigo. Aha nwunye Idigo bụ Ọnụkwube. Ịdigo mụrụ ụmụ nwoke atọ na otu nwaanyị. Aha ha bụ Akụbụike, Ekenna, Eloka na Ọbịageli. Idigo ji n'ihi na Nkechinyere bụ nwunye nwanne ya mụrụ ụmụ nwaanyị ghara ikwe ya ekele ma kparịwa ya sị,

> ....Ya dịwagodu n'ihi na nke ahụ abụghị ihe m kwooro bịawa n'ụtụtụ a. Ndị be anyị sịrị na ede gbara njọ meere ụtụtụ ihe ọma. Chiadị, onye sụchara ala a dị n'ụzọ Nwangene? (ihu 45-46)
>
> Na mgbagwoju anya, Chiadị wee jụọ ya ala nke ọ na-ekwu maka ya, Idigo wee zaa sị,'Achọghịkwa m ịhụ ụkwụ gị n'ala ahụ ọzọ. (ihu 46)

Nke a pụtara na nwoke nwunye ya mụrụ ụmụnwaanyị dịka onye enweghị ebe ọ ga-agbado ụkwụ. Ihe ya na nwanne ya nwere na-adị ewete ọgbaghara, maka na mgbe nwanne ya ahụ nwere nwa nwoke, ọ ga-ebido ịkpaso nwanne ya enweghị nwa nwoke ụdị agwa ga-egosi ya na akụ niile fọdụrụ bụ nke ya. Nke a bụ n'ihina o nweghị onye ọ ga-asị na ọ ga-anọchi ya ma werezie akụ ya. Ọ bụ n'ihina omenaala emeela ka nwa nwoke bụrụ ọnọchie. Ọ bụrụgodụ na ihe onye ahụ mụrụ naanị nwa nwaanyị nwere bụ otu ihe, nwanne ya ga-achọ ịnapụ ya ihe ahụ n'ụzọ ọbụla n'eleghị anya n'azụ. Akwa niile onye ahụ ga na-ebe ga-abụ mmiri a na-awụsa n'elu okwute.

Chiadịkaobi wee sị nwanne ya Idigo,

> Dee Idigo, i jizikwa anya gị ekwu ihe a? Ala ahụ bụnụ ala nna anyị Ọkpala nyere nne m ọ na-akọ kemgbe m dị na nwata. Otu ahụ ka o siri nye nne gị ala nke ahụ dị n'ụzọ e si aga be Nwambe. Ọ bụkwa gị na nwunye gị na-akọ ala ahụ kemgbe nne gị jiri nwụchaa ruo ugbu a? O nweela mgbe mụ na nwunye m jiri zọnye ụkwụ ebe ahụ? Kedu ka nke nne m nyere m ga-esi pụọ iche? (ihu 46-47)

Idigo mere ka Chiadị mata na oge nke nne na nna ha agaala. O kwukwara na ọ bụ ya bụzi diọkpara. O mere ka Chiadị mata na ọ bụ ya ji ji, jide mma. (ihu 47)

**Nwaanyịụkwụesighịike n'ụlọdi ya dịka onye ana-akọ ọnụ**

Nwaanyị ọbụla mụtara nwoke na-ahụ onwe ya ka onye ụkwụ siri ike n'ụlọ di ya. Ha na-adọnyere di ha ukwu ịhụ na a napụrụ nwaanyị enweghị nwa nwoke ihe o nwere iji kọọ ya ọnụ amụtaghị nwa nwoke. N'uche nwaanyị dị otu a, onye ga-asị ya ekwula maọbụ emela, na ọ dịghị mma? Ụdị akparamagwa a na-akawanye njọ ebe ụmụnwaanyị ebighị n'udo.

> Ka Nkechinyere bụ nwunye Chiadị nọ na-egere ihe Idigo bụ nwanne di ya na-ekwu banyere ala ha na-akọbu, o wee sị Idigo, 'Nna anyị Idigo, mmegbu adịghịkwanụ mma. Kemgbe m bịara ije di na mbara a, ọ bụ nne di m na-akọ ọrụ n'ala ahụ. Ka nne di m nwụchara afọ iri gara aga, ọ bụ mụ na di m na-akọ

> ọrụ n'ala ahụ. Etu ahụ kwa ka gị na nwunye gị sị akọkwa na nke nne gị dị n'ụzọ be Nwambe. Keduzi ka egwu siri dagharịa ugbu a nke bụ na anyị enwekwaghị ike ịkọ ọrụ n'ala ahụ? Gịnị ka ị chọrọ ka anyị mee?' (ihu 47-48)

Ozugbo Nkechi ji olu nwayọọ na-ajụta Idigo ihe ndi a, nwunye Idigo bụ Ọnụkwube, nara ya okwu n'ọnụ, wee gwa Nkechi sị,

> Nkechi, kịtịkpa gbachie gị anya, gbachie gị ọnụ ahụ i ji asịtọsị ihe niile juru gị ọnụ. Nna anyị, asala ya okwu ọbụla ka mụ naya kwube. Nwaanyị amosu. Bịa ka mụ na gị kwube n'ihi na ọ bụ nwaanyị na ibe ya. Anụ bi n'ọhịa. Ị na-ajụ ọgbọ gị ajụjụ njụgheri. Isi mebiri gị. Lee ka ọnụ dị gị. Anyị a ga-efe n'elu? Unu chọọ ife efe, unu efee. Ọ bụ na ọ kaghị mma ka unu sina ngwuru a fepụsịa ka mmadụ mesara ahụ? Makakwu, ị na-ajụ ma ị ga-efe n'elu. Ị maghị ihe chaa chaa. Ọ bụrụ m bụ gị, agaghị m etinye ọnụ n'ihe gbasara ala n'ihina o nweghị ebe m kwụ. Ọ pụtara na ị maghị na i nweghị mgbọrọgwụ na mbara be Ọkpala? Ọ bụ ụmụnwaanyị a ị mụchiri ebe niile ka unu na-azọtara ala? Ya doo gị anya na ụmụnwaanyị a ị mụrụ enweghị ihe nketa n'ala ndị be Ọkpalaezeagụ. Ala nna di m bụ ụmụ m ndị nwoke nwe ya. O nweghị ebe ị kwụ. (ihu48-49)

Ebe ahụ ka mba ọgụ bidoro, rue na ọgụ atasuoro ha abụọ.

N'ebe a ka a hụtara na nwaanyị ọbụla mụtara nwa nwoke na-enwe ọnụ ịgwa nwaanyị enweghị nwa nwoke na o nweghị ebe ọ kwụ. Nke a bụ n'ihi na nwa nwoke dị oke mkpa dịka omenaala Igbo siri hụ ya ma dowekwa ha n'ọnọdụ dị elu karịa ụmụnwaanyị.

**Uru si na nwaanyịpụtan'akwụkwọ *Nwaanyị bụ ihe ukwu***

**Nwaanyịbụ na nne nanna bara ụgbọala**

Dịka nchọpụta Freud mere, n'ihe William (2001:5510) dere, Freud mere ka o doo anya na naanị ihe dị iche n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị bụ naanị ihe ndị a na-ahụgasị anya n'ahụ ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ụmụ nwaanyị nwekwara obi ume ala, otu ụmụ nwoke nwere. Ọnọdụ Chiadịkaobi na nwunye ya Nkechinyere, mechara gbanwee. Nwaanyịbụihe mechara mee nke ọma n'ule ha, ebe ọ sịrị,

> Agbara m onye nke mbụ n'ule anyị lere. Onyeisi ụlọakwụkwọ anyị sịrị na m enwetala ọnọdụ ịgụ akwụkwọ n'efu nke Nze Onyebụchi na-enye. (ihu 78-79)

Nwaanyịbụihe mechara bụrụ onye dibịa oyibo ma lụọkwa Chukwuemeka si obodo oyibo lọta bụrụkwa onye dịbia oyibo. Ha zụrụ ụgbọala bunye nne na nne Nwaanyịbụihe. Ha asị,

> Lee igodo ụgbọala a, ọ bụ mụ na di m zụtaara ya unu. Anyị ga-etinye anya na mmiri chọtara unu ọkwọ ụgbọala anya ruru ala.Ego dị n'enveloopu a bụ ego unu ga-eji agbanye mmanụ ụgbọala n'ụgbọala ahụ.(hu 131)

Ihe ọbụla Chukwu kere eke nwere uru ga-esi na ya abịa. N'agbanyeghị na Chiadị na nwunye ya mụrụ naanị ụmụnwaanyị, e wee kọọ ha ọnụ dị iche, megbuo ha n'ụzọ dị iche iche, mana mmiri mara ugo mechara bụrụ ịsa ya ahụ ka ọ sara ya.

**Nwaanyịbụ na nne na nna biri n'ụlọelu**

Ihe ọma sị n'ịmụta nwa nwaanyị dị ka aja dị n'ala. Chiadị na nwunye ya, ndi Idigo na-anarabu naanị otu ala ha nwere, mechara bie n'ụlọ o nweghị ike ịrụ n'agbanyeghị na ọ

bụ nwoke. Ọ bụzi nwa ya nwaanyị, nwaanyị ahụ a na-asị na onye mụrụ ya gba aka nwa mechara wuoro ya ụlọelu.

Nke a butere aṅụrị n'ụlọ onye a jụburu, ọ ga-abụ onye? Nwaanyịbụihe wee sị

> " Nna m, achọrọ m ikutu ụlọ anyị a rụgharịa ya ka ọ bụrụ ụlọelu." (ihu 161)

> Nke a mere ka obi aṅụrị dị Chiadịkaobi, o wee sị

> > Ya bụ, ụlọelu ga-ebu ụzọ chapụ be mụ bụ Chiadịkaobi Ọkpala mụkọrọ naanị ụmụ nwaanyị? Chineke ekele dịrị gị. (ihu161)

**Nwaanyịbụ na nwoke ṅụrụmmiri si n'okporo Igwe**

Uru si n'ịmụta nwa nwaanyị ka dịkwa ọtụtụ dịka anyị na-ahụta ha. Nke a kpalitere mmụọ Haraway (1990), o ji sị na ụmụ nwaanyị kwesịrị ka e nye ha ọnọdụ ọhụrụ. O mekwara ka a mata na inye ụmụ nwaanyị ọnọdụ ọhụrụ bụ ihe dị oke mkpa. Nwaanyịbụihe akwụsịghị ebe ahụ. Ọ gakwara n'ihu gosịkwue na nwaanyị bara uru n'ọtụtụ ụzọ. Ọ sị,

> Achọkwara m ịgbapu mmiri. (ihu 162)

Nke a ga-eme ka ndị obodo ha bido ṅụwa mmiri dị mma, ma site na ya gbanahịwa ọrịa ndị a na-ebute n'ịṅụ mmiri adịghị ọcha. Nke a gosịrị na ụmụ nwaanyị nwekwara obi ume ala, otu ụmụ nwoke nwere dịka Fred siri kọwaa.

**Nwaanyịbụ na obodo nwetere ụlọọgwu**

Nwaanyịbụihe dịka onye ọnọdụ ahụike ndị obodo ya na-echu ụra mechakwara guzobere ndị obodo nna ya ezi ụlọọgwụ. Ọ sị,

> E mechaa, aga m arụ ụlọọgwụ ka m nye aka mee ka ndị be anyị nwee ahụike.

Ka o kwuchara ihe ndị a, egwu aṅụrị buruzie Chiadịkaobi na Nkechinyere gawa. Nke a mere Nkechi ji sị,

> Ọ dịghị onye dị ka gị. Ihe gị asọgbuo m o-o-o. Ị dịka mmanụaṅụ. Ọ sị, ọ bụghị naanị ụlọelu maka ebe obibi anyị, ụlọọgwụ ga-adịkwa na mbara Chiadị! Chukwu dị egwu. Ụwa dị ogbu. (ihu162)

**Nwaanyịbụ na ndị Kọrọnne na nna ọnụriri nri ọnụ**

Iji gosị na ihe e kwuru bụ eziokwu, na nchọpụta Freud mere, n'ihe William (2001:5510) dere, Freud mere ka o doo anya na naanị ihe dị iche n'etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị bụ naanị ihe ndị a na-ahụgasị anya n'ahụ ya. Ọ gakwara n'ihu kwuo na ụmụ nwaanyị nwekwara obi ume ala, etu ụmụ nwoke nwere.

Nke a pụtara ihe n'ihe mere n'akwụkwọ a. Nwaanyịbụihe mechakwara nyere ezinaụlọ nwanne nna ya aka maka na ụmụ ya ndị ahụ mechara bụrụ ofoogori. Ịdịgo gaziri rịọwa Chiadị sị,

> Nwanna a, biko kwe ka ihe niile bere n'abalị bụrụ anwụnta. Oriakụ m, biko gbagharanụ m n'ụzọ ọbụla m siri mejoo unu. (ihu167)

> Ọnụkwube wee daa n'ala rịọ sị,

> > Nna m ukwu Chiadị, biko gbaghara m. Nkechi nwunye di m, biko gbaghara m n'akaje niile m mere gị n'ihi amụtaghị nwa nwoke. Ị hụlanụ na onye bu ụzọ ekperela azụ. Ewezuga gị na ezinaụlọ gị, mụ na di m gaara ịgba aka nwa

> n'agbanyeghị na anyị mụjuru ụlọ. Anyị agaraghị ihụ onye ga-ekpodo anyị aja ma anyị nọchaa bulaa akwụkwọ. (ihu167)

Ọ tụgharịa n'ebe Nwaanyịbụihe nọ sị ya,

> Dọkịta Bụihe nwa m, egbuto m. Ị bụ dimkpa nwaanyị! Odogwu! Nwaanyị ka nwoke. Chineke gọzie gị. (ihu167-168)

Ka o kwuchara ihe ndị a, ọ rịọkwa ọzọ sị,

> ...nyere anyị aka n'ihe gbasara ihe oriri, nyerenụ anyị aka n'ihina agụụ na-atọpụ anyị ọgọdọ. Kwashịọkọ na-achọkwa ịnara anyị nwa ahụ Ọbịị mụrụ. (ihu 168)

Nwaanyị gosịkwara na ha bụ ndị nwere obi ebere nke ukwuu. Nkechinyere bunyere ya ihe oriri. Ọ sị,

> Nne Ọbịị, lee nri ndị a buru gaa siere ụmụaka. Ihe ndị a bụ ihe ndị ọgọ m bukọtaara m n'ụka nne gara aga.(ihu168)

Nwabụọṅụ nọ na mahadum Ọka, Chiọma nọ na mahadum ala anyị dị na Nsụka. Ifee na Ijeaṅụlị nọ na kọleeji.

**Ihe mmụta na ịdọ aka na ntị n'akwụkwọ *Nwaanyị bụ ihe ukwu***

**Nwa ọbụla bụonyinye Chukwu**

Mmadụ ejikwala na ya mụrụ ụmụ nwoke, wee na-achị, maọbụ na-emegbu onye mụrụ nwaanyị, maka na ha abụọ bụ onyinye sitere n'aka Chukwu. O nweghị onye maara isi ga-abụ eze. Onye ọbụla dị ndụ kwesịrị ịmata na ụwa na-eme ntụgharị. Ụwa na-efe efe.

N'akwụkwọ a bụ *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu*, o gosịpụtara na 'ọnụ ahụ bụrụ ogiri asụ, mechara kụrụ ogiri rachaa'. A hụtara nke a na ndụ Ịdigo na Ọnụkwube,

> Nwanna a, biko kwe ka ihe niile bere n'abalị bụrụ anwụnta. Oriakụ m, biko gbagharanụ m n'ụzọ ọbụla m siri mejoo unu.

Ọnụkwube wee daa n'ala rịọ sị "Nna m ukwu Chiadị, biko gbaghara m. Nkechi nwunye di m, biko gbaghara m n'akaje niile m mere gị n'ihi amụtaghị nwa nwoke. Ị hụlanụ na onye bu ụzọ ekperela azụ. Ewezuga gị na ezinaụlọ gị, mụ na di m kaara ịgba aka nwa n'agbanyeghị na anyị mụjuru ụlọ. Anyị akaraghị ihụ onye ga-ekpodo anyị aja ma anyị nọchaa bulaa akwụkwọ." Ọ tụgharịa n'ebe Nwaanyịbụihe nọ sị ya "Dọkịta Bụihe nwa m, egbuto m. Ị bụ dimkpa nwaanyị! Odogwu! Nwaanyị ka nwoke. Chineke gọzie gị. (Ihu 167-168)

**Mmadụkwesịrịinwe mmụọmgbaghara**

N'agbanyeghị ihe ọbụla mmadụ mere gị, ọ bụ ihe dị mkpa na ị ga-agbaghara onye ahụ. Nke a ga-eme ka ibi n'udo lọghachi azụ n'etiti mmadụ na ibe ya. Ka o kwuchara ihe ndị a, ọ rịọkwa ọzọ sị "nyere anyị aka n'ihe gbasara ihe oriri, nyerenụ anyị aka n'ihi na agụụ na-atọpụ anyị ọgọdọ. Kwashịọkọ na-achọkwa ịnara anyị nwa ahụ Ọbịị mụrụ." Nkechinyere wee bunye ya ihe oriri. Ọsị, "Nne Ọbịị, lee nri ndị a buru gaa siere ụmụaka. Ihe ndị a bụ ihe ndị ọgọ m bukọtaara m n'ụka nne gara aga."(Ihu 168)

**Nchịkọta na mmechi**

- Onye ọbụla na-akọ mmadụ ọnụ n'ụdị ọbụla n'ihi na ọ mụrụ nwa nwaanyị, kwesịrị itinye mma ya n'ọbọ. Onye ahụ kwesịrị icheta na ọ bụ Chukwu na-enye nwa. Nke a ga-eme ka nleda ụmụnwaanyị anya bụrụ akụkọ mgbe ochie.
- Onye chọkwaranụ iji maka na nwanne ya mụrụ naanị ụmụnwaanyị, ebe ya mụrụ nwoke na-ebichi obi, n'ihi ya, ka ya nakọrọ ya ihe niile o nwere na nwaanyị bụ uru onye ọzọ, kwesịrị ichegharị echiche ma jiri ihe mere n'akwụkwọ a mụta ihe.
- Ọ bụkwa ihe pụtara ihe na nwaanyị nwere uru ọ bara n'ezinaụlọ a hụtara ya. Nke a ka a hụtara na ndụ Nwaanyịbụihe. Nwaanyịbụihe mechara bụrụ onye dibịa oyibo ma lụọkwa Chukwuemeka si obodo oyibo lọta bụrụkwa onye dịbia oyibo. Ha zụrụ ụgbọala bunye nne na nne Nwaanyịbụihe. Nwabụọṅụ nọ na mahadum Ọka, Chiọma nọ na mahadum ala anyị dị na Nsụka. Ifee na Ijeaṅụlị nọ na kọleeji. Ihe kacha mkpa bụ ịzụ nwa a mụtara otu o kwesịrị, ka ha nwee ike baa uru n'ọdịnihu.

**Edensibịa**


Butler, J. (1990). *Gender Trouble*. New York: Routledge.

Udechukwu,G, I., Ogbuagu, Joy, O., & Nnyigide, M. N. (2015). *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenaala Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Haraway, D. (1990). A manifesto for cyborgs: Sciences, Tecnology, and socialist feminism in the 1980s. Na L. Nicholson (ọhz.) *Feminism/Postmodernism*. New York: Routledge ihu 190-191.

Obidiebube, J, I. (2015). *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu*, Anambra: Galaxy Prints.

Nwadike, I.U. (1990). *Ntọala Agụmagụ*, Nigeria: Ifunanya Publishers.

Okechukwu, C. (2012). *Nwaanyị Dị Uru*, Anambra: Mis-Vis Publishers.

Onyekaọnwụ, (2015). G.O. akwụkwọ ihe ọmụmụ.

Tong, R. (2001). Feminism Theory. Na N. J. Smelser & P.B. Baltes, (ọhz.), *International Encyclopedia of the Social and Behavioural Sciences*. Oxford: Elselvier. Vọl 9. ihu 5484-5485.

Williams, C. (2001). Feminist Theory: Psychoanalytic. Na N. J. Smelser & P.B. Baltes, (ọhz.), *International Encyclopedia of the Social and Behavioural Sciences*. Oxford: Elselvier. Vọl 9. ihu 5510-5511